# ǸGÀNÙSÒRÓ ỤDÀỌLŪ NA AKARA ỤDAOLU

**Ilechukwu, Daniel Ihunanya**

*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta ozi*
*MahadumNnamdị Azikiwe, Ọka*
*e-mail: di.ilechukwu@unizik.edu.ng*
*08030886180*

## Ụmị ederede

Asụsụ ọbụla nwere ka usoro okwu ndị mebere ya si agakọrịta. Asụsụ Igbo nwere iwu na-achịkwa ngakọrịta mkpụrụụda na ibe ya, ngakọrịta usorookwu na ibe ya, d.g. Ọ bụ iwu ndị ahụ na-achịkwa ngakọrịta ụdaolu na akara ụdaoluka e nyochara n'ederede a kpọmkwem. Nsogbu kpaliri nchọcha a bụ na ọ na-agbagwoju ọtụtụ ndị anya etu ụdaolu si agakọrịta na etu e si amata akara ụdaolu kwesịrị ụdaolu ọbụla na mkpụrụokwu. Nchọcha sekere nke a n'ụzọ doro anya ka onye ọbụla gụrụ ya si na ya mata etu ụdaolu si agakọrịta.Mbunuche izugbe ọchọcha bụ igosi etu ụdaolu si agakọrịta na mkpụrụokwu Igbo na ịmata akara ụdaolu ndị na-agakọrịta na ndị adịghị agakọrịtanwu. E tinyere atụtụ agwara isi n'ọrụ wee mee nchọcha a. Atụtụ agwara isi bụ atụtụ a gbadoro ọkpa n'usoro ndokọ nkebi okwu wube. Onye wubere ya bụ Gazdar (1985).A kọwara ihe bụ nganusoro na njirimara ya. E zipụtakwara etu nganusoro si apụta ihe n'asụsụ Igbo. A chọpụtara n'ikpeazụ na ọ bụrụ na agbasoghị usoro ụdaolu, ụda mkpụrụokwu na-efu. A na-atụ aro na ndị ga-eme nchọcha na nganusoro n'ọdịnihu ga-emetụ aka na nganusoro metụtara mkpọaha, ngwaa na mmeju.

## Ndubanye

Nganusoro pụtara ngakọrịta mkpụrụokwu na ibe ya dị ka ntọala ụtọasụsụ si dị. Nganusoro e nyochara n'ederede a bụ nke metụtara ụdaolu. Igbo bụ asụsụ ụdàolu. Ọrụ Pike (1948), Schachter (1961), Stewart (1965),Woo (1967),Williamson (1968 (b); 1970 (a), (b), Winston (1970), Welmers (1970, 1973), Hyman (1976), Fromkin (1978), Clements (1979), (d); 1986), and Goldsmith (1990), Emenanjọ (2015),na ọtụtụ ndị ọzọ enyela nkọwa ụdaolu na ụdị ụdaolu dị iche iche ma gosipụta asụsụ ụdaolu gasị n'òtù n'òtù. E wezuga ụdaolu na akara ụdaolu, ọmụmụ asụsụ Igbo ezughị oke. Dị ka ọ dị n'asụsụ ụdaolu ndị ọzọ, e ji akara ụdaolu ezipụta ogo olu mkpọpụta mkpụrụokwu Igbo ọbụla. Igbo nwere akara ụdaolu atọ e ji ezipụta ndịiche dị na mmebeokwu, mkpụrụokwu, nkebiahịrị, nkebiokwu na ahịrịokwu. Mana ihe na-echere ọtụtụ ndị aka mgba bụ na ọ na-esiri ha ike ịmata etu e si enwe ndakọrịta ụdaolu na etu okwu si ahọrọ akara kwesịrị ya maka ezi ngakọrịta ụdaolu. Ọ bụ nke a na ndị ọzọ ka e sekere n'ederede a n'ụzọ doro anya. E ji atụtụ agwara isi nyochaa etu e si enwe ngakọrịta ụdaelu, ụdaala na ụdansụda na mkpụrụokwu dị iche iche ndị a họọrọ.

## Ntụleghari agụmgụ

Gbasara ihe nganusoro bụ, dị ka ndị ọka mmụta ụfọdụ si kọwa, haekwuola na nganusoro nke a na-akpọkwa *ngakọrịta* bụ mmekọrịta dị n'etiti okwu na ibe ya n'usorookwu. Ụfọdụ ndị ọka

mmụta kpọrọ nganusoro *nkwekọrịta.* A bịa n'ebe mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa nọ, okwu ahụ bụ *nganusoro*pụtara nkwekọrịta ime otu ihe maọbụ nke ọzọ. Mana n'amụmamụ asụsụ, ọ pụtara nkwekọrịta e nwere n'akụkụ abụọ nke otu ahịrịokwu nke dị ka iwu ụtọasụsụ ahụ si dị. N'ụfọdụ akwụkwọ ụtọasụsụ dị ka: Welmers (1970), Yule (1996),Viberg (1999),na Watanebe (2004),e mere ka a mata na nganusoro pụtara na isiahịri, ngwaa na okwu ndị ọzọ mebere usorookwu ga-enweriri nkwekọrịta. Ya bụ, ọ bụrụ na ngwaa bụrụ Igbo izugbe, mmeju bụkwa Igbo izugbe ka ya na ya ga-agakọrịtanwu. Na nghọta ọtụtụ ndị, ihe bụ nganusoro bụ ịhụ na e nweghị nnupu isi n'iwu ngakọrịta usoro okwu. Austine (1962) na Atụenyi (2009) mere ka a mata n'echiche nke ha na nganusoro bụ okwu mere ka o ghere anya oghe na ahịrịokwu ọbụla agbasoghị iwu ngakọrịta dị n'etiti isiahịrị, pesin, jenda na ngwaa enweghị isi ma ncha. Na nkọwa e nyere n'asụsụ French banyere nganusoro, a chọpụtara na nganusoro bụ mgbe e nwere ịga n'usoro nke kwesịrị ịdị n'etiti mkpọaha, nnọchiaha, nkọwa na ngwaa dị n'ahịrịokwu. Ahịrịokwu ọbụla nke agbasoghị iwu a anaghị aga n'ezi usoro.

E wezuga nkọwa ndị a dị n'elu, e nweela ọtụtụ ndị ọka mmụtamere nchọcha na nganusoro mana nke kara pụta ihe bụ nke e mere n'isiokwu a kpọrọ '*Broken Agreement: Cognitive Psychology'* na Bekee. E ji atụtụ ncheke mee nchọcha a. Etu e si malite amụmamụ nganusoro na nke a bụ na e nyere ndị njiri mee nchọcha *mmalite ahịrịokwu* ma sị ha mejuo ya. Ọmụmaatụ mmalite ahịrịokwu e nyere na Bekee ka ndị njiri mee nchọcha mejuo bụ *'The key to the cabinets.'* A chọrọ ka a mata ma mmeju ahịrịokwu *ndị njiri mee nchọcha* ga-enye, ha ga-adaba nke ọma n'usoro ụtọasụsụ Bekee. Otu ọmụma atụ ndị njiri mee nchọcha a nyere bụ nke a, *'The key to the cabinets were missing.'* A gaghị agwa onye Bekee na e nweghị ezigbo nganusoro na mmalite ahịrịokwu ahụ na mmeju e nyere n'ihi na *'key'* bụ mkpọolu ebe ngwaa bụ '*were*' bụ ụbara. O kwesịrị ịbụ, *'The key to the cabinets is missing.'*(Hụ Bock na Miller, 1991). Nchọpụta Bock na Miller gosiri na mmejọ na-adịkarị n'ebe o metụtara mkpọaha na ngwaa dị n'ahịrịokwu dị ka ọ dị n'ahịrịokwu e ji maa atụ n'elu.

E deela ihe gbasara nganusoro n'asụsụ Griik n'isiokwu a kpọrọ *Negative Concord.* Otu ihe a rụtụrụ aka na ya bụ na nganusoro njụ kwesịrị inye ohere ka usoro ya bụrụ otu ihe n'asụsụ niile dị n'ụwa. O nwebeghị nkwekọrịta ọbụla e nwere n'arụmaka nchọcha a n'ihi na asụsụ niile dị n'ụwa abụghị otu. Ọ bụ ya kpatara na nchọcha gbasara arụmaka a ka na-aga n'ihu. (Hụ Ginnakidou, 1997). Nchọcha Ginnakidou gbadoro ọkpa naanị na nganusoro njụ n'asụsụ Grik mana o nweghi etu o si metụ aka n'agwa nganusoro iji mata ma arụmaka ya ọ ga-adaba n'asụsụ ndị ọzọ e nwere.

Na nchọcha ọzọ e merela gbasara nganusoro n'asụsụ *West Flemish* n'isiokwu a kpọrọ *Negative Concord and Multiple Agreement: A Case Study of West Flemish,*arụmaka pụtara ihe na ya bụ na a chọrọ ka ndị nka asụsụ nabata iji atụtụ *'mpeka'* na-enyocha nganusoro njụ n'asụsụ 'West Flemish' nakwa asụsụ ndị ọzọ. Lee anya na Haegemen& Lohndal,(2010). E nwebeghị mkpebi gbasara nke a.

Nchọcha ọzọ e merela na nganusoro bụ nke a kpọrọ isiokwu ya *The Syntax of Agreement and Concord* n'asụsụ Bekee. Arụmaka nchọcha a bụ na ngakọrịta isiahịrị na ngwaa a na-enwe n'asụsụ Bekee kwesịrị ka e setịpụkwuo ya ka ometụta nkọwa, mkpọaha na nkwuwa. O teelarị e

ji nwee mkpebi na nke a kwere omume n'asụsụ Bekee n'agbanyeghị na o nwere ike nwee asụsụ ndị ọzọ anabataghị ya. Gụọ Baker (2008). Nchọcha nke a sekere nkejiasụsụ niile ndị na-agakọ dị ka o si metụta nganusoro.

Nchọcha ọzọ e merela gbasara nganusoro bụ n'asụsụ Bekee ochie n'isiokwu a kpọrọ *Concord in the Grammar of Old English.* N'ebe a, e ji ngakọrịta a na-enwe n'isiahịrị na ngwaa Bekee ọhụrụ, tụlee ndị nke ochie. Nchọcha a gosiri na o nweghị ihe dị iche na nganusoro nke Bekee ochie na nke Bekee ọhụrụ ebe ha kabụ otu asụsụ ahụ. Lee anya na Biber (1999).

Ọ bụrụ na e nyochaa nchọcha ndị odee a dị n'elu, a ga-achọpụta na ndị ọka mmụta ewepụtala oge mee nchọcha na nganusoro n'asụsụ Bekee na ndị ọzọ. Mana naanị otu ihe pụtara ihe nke ọma na nke Igbo bụ nke e mere n'isiokwu akpọrọ '*Ungrammaticalities in Igbo,'*ya bụ, ndịpụ n'usoro a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo. NchọchaUdemmadụ metụrụ aka na mmejọ ndị a na-enwe n'ụtọasụsụ Igbo n'ebe o metụtara kwunkwukwa, inye ihe ndị enweghị ndụ ọnọdụ ihe nwere ndụ, e tinyezighị ụbara, d.g., mana Udemmadụ atụpụtaghị iwu ụtọasụsụ nye nganusoro. Udemmadụ nyere ndezi ahịrịokwu niile ndị e ji maa atụ e nwere mmejọ na ha, manao jighị atụtụọbụla mee nchọcha ya. Hụ Udemmadụ (2012).

Site n'inyocha ngalaba ndị ahụ ndị buru ụzọ mee nchọcha na nganusoro emetụghị aka n'elu, a ga-asị na edemede nchọcha a bụ nke ọhụrụ wee nye onye ọbụla ga-agụ ya. N'ịchịkọta ihe kpatara na e mebeghị ihe e mere n'ọrụ a mbụ, a ga-atụlekọrịta ọrụ a na ndị e nyochara n'elu. Nchọpụta Bock na Miller (1991) dị iche na mbunuche edemede a n'ihi na ha abụọ rụtụrụ aka na nganusoro hibere isi na ngakọrịta metụtara mkpọaha na ngwaa naanị mana nchọcha nke a setịpụkwuru aka na nganusoro metụtara nnọchiaha na ngwaa. Nchọcha nke a dịwaga iche maka na e ji azụ echiche okwu wee nyochaa nganusoro dị ka o si metụta ngakọrịta mkpọaha ndị bụ ogbo n'Igbo.

**Atụtụ àgwara isi**

Atụtụ agwarabụ atụtụ a gbadoro ọkpa n'usoro ndokọ nkebiokwu wube. Onye wubere ya bụ Gazdar (1985). E ji ya enyocha usoro mmebeokwu mgbe o siri ike iji atụtụ ụtọasụsụ mgbanwe nyocha mmebeokwu. Ya bụ na atụtụ aabụrụla nkee ji eseke mmebe mkpụrụokwu. A na-enwe otu okwu bụ isi, ma nwekwaa okwu ndị ọzọ dị na nkeji. N'agbanyeghị na nkeji ọbụla nwere *isi* nke aka ya, mana àgwà okwu bụ *isi* na *isi*ndị e nwere na nkeji ndị ọzọ na-abụ otu ihe (Gazdar, Klein, Pullum na Sag, 1985). Okwu bụ *isi* na-akwụrụ onwe ya ma gbaa mbọ mee ka nkeji ndị ọzọ nwee otu agwa ga-adị ya ahụ mma.

Atụtụ a na-eji usoro iwu ọgbara ọhụrụ agbanwe usoro ụtọasụsụ iji nweta òtù okwū dabara nke ọma. Site n'ịnapụta Aronoff na Rees-Miller (2001:304) okwu n'ọnụ, Wasow kọwara *àgwàrà* dị ka aha e ji ahazi mkpụrụ okwu na nkebi okwu gasị n'ezigbo usoro ha. Ya bụ na agwara bụ ọnọdụ usoro okwu ebe a na-eji akara anọchi anya mkpụrụokwu na nkebiokwu. Akàrà bụ okwu na-akọwa òtù okwu dị na àgwara abụọ abụọ n'akpọmakpọ, mmebeokwu, ndokọokwu na echicheokwu. Atụtụ àgwara isi na-amakọ okwu ndị nwere òtù ha so na ya na mmeju ha dị ka pesin, ọnụ ọgụgụ, keesi, ngosi oge (tensị) na jenda. Malmkjaer na Anderson (1996:142) mere ka a mata na mmalite nseke ihe ọbụla gbasara nka asụsụ ga-amalite site n'imebe akara nhụba

ama a ga-eji nọchite anya okwu ụfọdụ ka nseke ha wee dị mfe. Benjamin (2016) ji eserese a dị n'okpuru me ka ihe Malmkjaer na Nderson kọwara n'elu doo anya :

Eserese

| | |
|---|---|
| *Book* | Common +<br>NUMBER Sing. |
| *Okon* | COMMON +<br>NUMBER Sing.<br>COUNTABLE + |
| *A bag* | COMMON +<br>NUMBER Sing.<br>COUNTABLE + |
| Plays | Tense Non-past<br>Person 3rd |

(Benjamin 2016)

N'ọmụma atụ nke mbụ rue na nke atọ dị n'elu, òtù e nwere bụ mkpọaha nke e kwara n'òtu ọzọ bụ aha izugbe, ọnụ ọgụgụ, aha aka, na aha ngụta ọnụ. E ji ha nọchite *akwụkwọ, Okon, akpa;* mana *egwu* bụ mkpọaha onye nke atọ. O nweghị ndịnazụ n'usorookwu ahụ. N'ebe a, iziputa okwu dị iche iche n'òtù ha na izipụta agwa ha bụ 'feature value pairs' na Bekee, ka e ji eme ya. Atụtụ Àgwara Isī bụ atụtụ nwere nkewa isī na nkewa ọdụ̀. Ha bụ ndị a n'okpuru:

1. HEAD ⟶{N, V, BAR, SING, XSP, THP, CASE, VFORM, PAS, PAST, AUX., INV,

*PRD,SLASH, AGR, SUBJ.}*

FOOT ⟶ {SLASH, RE, WH}

**Arụmaka atụtụ àgwara isī**

Atụtụ a gbadosiri ụkwụ ike n'*isi àgwara.* Dị ka Mbah (1999) si rụtụ aka, ndị bu ụzọ mụ ya bụ Chomsky (1964), Fiego (1977) na Cole (1982). Ọ na-eji aka ya ewepụta iwu na-achịkwa etu isi agwara ga-esi rụ ọrụ ya n'usoro okwu. Atụtụ a siri agụgọ na e nwere usoro abụọ pụrụ iche e si enyocha data. Ha bụ:

1. a inweta ògbò okwu, na

   b ị chọpụta ọnọdụ atụtụ

Ògbò bụ inweta òtù okwu ndị na-emebe otù katigori nke ya na katigori usoro ga-eyite (Co-oper, 1986). ‘H’ na ‘M’ na-anọchite anya isi àgwàrà na isi nne agwara. A tụrụ anya na òtù agwara e nwere na X na-anọchite anya òtù nne agwara na nke isi agwara ga-enwe myiri. N’atụtụ agwara isī, o kwesịrị na otù nkejiasụsụ nke bụ isi agwara na ndị ọzọ dị n’otu nne agwara ga-agakọrịta ka e wee nwee nganusoro. Ya bụ na ihe a na-akọwa bụ na:

2. Mkpọaha na nne ya bụ nkebiokwu keaha (NA) ga-enwe otu ụdị agwara.

Mbuụzọ na na nne ya bụ nkebiokwu kembuụzọ (NM) ga-agakọ.

Nkọwaaha na nne ya bụ nkebiokwu ke nkọwa (NN) ga-agakọ.

Ngwaa na nne ya bụ nkebiokwu kengwaa (NNG) ga-agakọ.

Nkebiokwu kengwaa (NNG) na isiahịrị ga-agakọ.

**Etu atụtụ agwara isi si enyocha data**


Dị ka e kwurula n’arụmaka, atụtụ agwara isi na-eji aka ya ewepụta iwu na-achịkwa etu isi agwara ga-esi rụ ọrụ ya ma kọwaa ọrụ okwu ndị ọzọ dị n’usorookwu. Benjamin (2016) ji eserese kọwada nke a n’okpuru etu a:

**Eserese 2**

*The book*

$\bar{\bar{N}} \longrightarrow$ DET, $\bar{\bar{H}}$

N $\longrightarrow$ H $\bar{\bar{P}}$ $\longrightarrow$




(Benjamin, 2016)

N’ọmụma atụ dị n’elu, isiagwara nke e ji akara $\bar{\bar{N}}$ gosiputa na okwu ya na ya gakọrọ nwere ndakọ nke mere ka e nwee nganusoro.

**Uru atụtụ àgwara isī bara**

Atụtụ agwara isi na-eseke okwu dị ka ekere chi ya si dị n'adabereghị n'iwu ndokọ nkebiokwu. Atụtụ a nwere mwube guzosiri ike o ji anọchite anya ụtọasụsụ na nseke dị iche iche.Ọ na-enwe akara nhụba ama na nke igbe dị iche o ji anọchi anya okwu ọ na-eseke ka a ghara inwe mgbagwoju anya.Mwube atụtụ agwara isi na-adị mfe n'ihi na ọ na-enwe otu isi àgwara ebe ndị ọzọ ga-abụ ngalaba.Ọ na-akọwa okwu ọbụla dị n'ime ahịrịokwu ka nseke wee dị mfe.E nwere ike iji ya seke asụsụ ọbụla dị n'ụwa site n'otu usoro nseke data.Ọ na-akọwa ihe mmetụta na myiri dị n'otu isi agwara na ibe ya dị ka nkọwaaha, ọdụahịrị, nrụaka, d.g.Atụtụ agwara isi na-enyocha okwu òtù ka okwu ìgwè ka ha nọchite anya ụbara okwu n'ụtọasụsụ.

**Nseke nganusoro ụ̀dàolū/akara ụdaolu**

Igbo bụ asụsụ ụ̀dàolu. Ọrụ Pike (1948), Schachter (1961), Stewart (1965), Woo (1967), Winston (1970), Welmers (1970, 1973), Hyman (1976), Fromkin (1978), Clements (1979), Williamson (1968 (b); 1970 (a), (b), (d); 1986), and Goldsmith (1990),Emenanjọ (2015), na ọtụtụ ndị ọzọ enyela nkọwa ụdaolu na ụdị ụdaolu dị iche iche ma gosipụta asụsụ ụdaolu gasị n'òtù n'òtù. E wezuga ụdaolu na akara ụdaolu, ọmụmụ asụsụ Igbo ezughị oke. Dị ka ọ dị n'asụsụ ụdaolu ndị ọzọ, e ji akara ụdaolu ezipụta ogo olu mkpọpụta mkpụrụokwu Igbo ọbụla. Igbo nwere akara ụda olu atọ e ji ezipụta ndịiche dị na mmebeokwu, mkpụrụokwu, nkebiahịrị, nkebiokwu na ahịrịokwu. E ji atụtụ agwara isi nyochaa etu e si enwe ngakọrịta ụdaelu, ụdaala na ụdansụda na mkpụrụ okwu dị iche iche ndị a họọrọ.

1. **Nganusoro ụdaala [\] dị ka isi agwara – àrụ**

| | | | |
|---|---|---|---|
| a. | àrụ | - | arụ ụlọ |
| b. | àrụ | - | arụ mmadụ |
| ch. | àrụ | - | arụ ụka |
| d. | àrụ | - | arụ ji |
| e. | àrụ | - | arụ ncha |
| f. | àrụ | - | arụ ala |
| g. | àrụ | - | arụ ọkụ |

Na mkpụrụokwu ndị a dị n'elu, a ga-achọpụta na ụdaala họọrọ ụdaelu na ngakọrịta nke pụtara na ụdaelu na-eso ụdaala na nganusoro ụdaolu. N´ọmụma atụ 1a rue na 1g, a ga-achọpụta na otu mkpụrụokwu bụ 'àrụ' nwere ike inwe ọtụtụ echiche ma ka nwee otu ụdaolu dị ka otu mkpụrụokwu. 1a bụ Igbo izugbe nke e nwere ike isi na ya sị na Okeke na-*arụ* ụlọ maọbụ ndị RCC na-*arụ* ụzọ. 1b bụ olundị nke e nwere ike isi na ya sị na *arụ* mmadụ jụrụ oyi n'ụtụtụ a.1ch

bụ Igbo izugbe nke e nwere ike isi na ya sị na Uju na-arụ ụka n'ihe a gwara ya. 1d bụ olundị nke e nwere ike isi na ya sị na Ngọzi na-arụ ji. 1e bụ Igbo izugbe nke e nwere ike isi na ya nweta - ọ na-arụ ncha n'aka n'ihe gbasara ńchà. 1f bụ Igbo izugbe nke e nwere ike isi na ya sị na nwata ahụ na-arụ ala dị egwu. 1g bụ olundị nke e nwere ike isi na ya sị na nwoke ahụ nwere arụ okụ. Ngakọrịta e nwere ebe a bụ nke ụdaala na ụdaelu n'***arụ*** naanị.

2. **Nganusoro ụdaala [\] dị ka isi agwara – èti**

a. èti - èti ihē

b. èti - èti akā

ch. èti - èti egwū

d. èti - èti ọ̄kpọ̄

e. èti - èti mkpū

Na mkpụrụokwu ndị a dị n'elu, a ga-achọpụta na ụdaala họọrọ ụdaala na ngakọrịta nke pụtara na ụdaala na-eso ụdaala na nganusoro ụdaolu. N΄ọmụmaatụ 2a rue na 2e, a ga-achọpụta na otu mkpụrụokwu ngwaa bụ 'eti' nwere ike inwe echiche dị iche na ibe ya ma ọ bụrụ na ya na mkpọaha ndị a họọrọ gakọọ, ma ka nwee otu ụdaolu dị ka otu mkpụrụokwu. Iji maa atụ,e nwere ike isi na 2a nweta 'eti ihe' dị ka na 'Akachukwu na-*etiOnyinye ihe*.' A ga-esi na 2b nweta 'eti aka' dị ka na 'Obinna na-*eti* aka n'ọnụ ụzọ.'A ga-esi na 2ch nweta 'eti egwu' dị ka 'Ifeanyị na-*eti egwu*.' A ga-esi na 2d nweta 'eti ọkpọ' dị ka na 'Eze na-*eti ọkpọ*.' A ga-esi na 2e nweta 'eti mkpu' dị ka 'Àdụ̀aka na-*etimkpu*.' Ngakọrịta e nwere ebe a bụ nke ụdaala na ụdaelu na mkpụrụokwu bụ ***eti*** naanị.

3. **Nganusoro ụdaala [\] dị ka isi agwara – àma**

a. àma - àma ihē

b. àma - àma ụ̄rā

ch. àma - àma ọ̀gọ̀dọ̀

d. àma - àma oburu

e. àma - àma àtụ̀

f. àma - m̀bèm̀

g. àma - àma ụzọ̀

gb. ama - àma āhụ̄

Na mkpụrụokwu ndị a dị n'elu, a ga-achọpụta na ụdaala họọrọ ụdaala na mkpụrụokwu ntụcha bụ *àma* nke pụtara na ụda ala na-eso ụdaala na nganusoro ụdaolu. N´ọmụmaatụ3a rue na 3gb, a ga-achọpụta na otu mkụrụokwu ngwaa bụ 'àma' nwere ike inwe echiche dị iche na ibe ya ma ọ bụrụ na ya na mkpọaha ndị a họọrọ gakọọ, ma ka nwee otu ụdaolu dị ka otu mkpụrụokwu. Iji maa atụ, e nwere ike isi na 3a nweta 'ama ihe' dị ka na 'Ebubechukwu na-*ama ihe*.' A ga-esi na 3b nweta 'ama ụra' dị ka na 'Isiọma ma *ama ụra*.' A ga-esite na3ch nweta'ama ọgọdọ' dị ka na 'Azụka na-*ama ọgọdọ*.' A ga-esite na 3d nweta 'ama oburu' dị ka na 'Dike na-*ama oburu* ji ya.' A ga-esite na 3e nweta 'ama atụ' dị ka na 'Ikenna ma *ama atụ* na nkụzi ya.' A ga-esite na 3f nweta 'ama mbem' dị ka na 'Nnụbịa na-*ama mbem* ji ya ugbu a.' A ga-esite na 3g nweta 'ama ụzọ' dị ka na 'Nwata ahụ na-ama ụzọ nke ọma.' A ga-esite na 3gb nweta 'ama ahụ' dị ka na 'Ịṅụ mmanya na-*ama ahụ*.' Ngakọrịta e nwere ebe a bụ nke ụdaala na ụdaelu n'***ama*** naanị.

4. **Nganusoro ụdaala [\] dị ka isi agwara – àjà**

a. àjà - (achụ aja)

b. àjà - (ala eze)

ch. àjà - (nnụnụ)

Na mkpụrụokwu ndị a dị n'elu, a ga-achọpụta na ụdaala họọrọ ụdaala na ngakọrịta nke pụtara na ụdaala na-eso ụdaala na nganusoro ụdaolu. N´ọmụma atụ 4a rue na 4ch, a ga-achọpụta na otu mkpụrụokwu bụ 'àjà' nwere ike inwe ọtụtụ echiche ma ka nwee otu ụdaolu dị ka otu mkpụrụokwu. 4a bụ Igbo izugbe nke e nwere ike isi na ya sị na ọ chụrụ nnukwu *aja* n'ụlọ ụka. 4ch bụ olundị nke e nwere ike isi na ya sị na aja ndị ọjọọ niile ga-ada. 4ch bụ izugbe nke e nwere ike isi na ya sị na aja fefere isi mmadụ ugbu a. Ngakọrịta e nwere ebe a bụ nke ụda ala na ụda ala n'***aja*** naanị.

5. **Nganusoro ụdaala [\] dị ka isi agwara – àlà**

a. àlà - àlà ezè

b. àlà - àlà agụ̄

ch. àlà - àlà ụlọ̀

d. àlà - àlà Ngwa

e. àlà - àlà egō

f. àlà - àlà isī

| | | | |
|---|---|---|---|
| g. | àlà | - | àlà mmīrī |
| gb | àlà | - | àlàntụ̄ |
| gh | àlà | - | àlà mbē |
| gw. | àlà | - | ụrọ̄ |

Na mkpụrụokwu ndị a dị n'elu, a ga-achọpụta na ụdaala họọrọ ụdaala na mkpụrụokwu ntụcha bụ *àlà* nke gosikwara na ụdaala na-eso ụdaala na nganusoro ụdaolu. N´ọmụmaatụ 5a rue na 5gb, a ga-achọpụta na otu mkụrụokwu mkpọaha bụ 'àlà' nwere ike inwe echiche dị iche na ibe ya ma ọ bụrụ na ya na mkpọaha ndị a họọrọ gakọọ, ma ka nwee otu ụdaolu dị ka otu mkpụrụokwu. Iji maa atụ, e nwere ike isi na 5a nweta 'alaeze' dị ka na 'aga m aba alaeze eluigwe.' A ga-esi na 5b nweta 'àlà agụ̄' dị ka na 'ala obi ya bụ ala agụ' nke pụtara ala dị n'ọhịa maọbụ n'ịkpa. A ga-esite na 5ch nweta 'àlà ụlọ̀' dị ka na 'o zoro ya n'ala ụlọ.' A ga-esite na 169d nweta 'ala Ngwa' dị ka na 'o bi n'ala ngwa.' A ga-esite na 5e nweta 'ala ego' dị ka na 'Amerika bụ ala ego' ya bụ ala e si na ya enweta ego. A ga-esite na 5f nweta 'ala isi' dị ka na 'ala isi ka n'ibu' ya ala nke na mmalite. A ga-esite na 5g nweta 'ala mmiri' dị ka na 'Abakaliki nwere ala mmiri ụrọ.' A ga-esite na 5gb nweta 'ala ntụ̄' dị ka na 'ala ntụ na-emetọ akwa' ya bụ ala e kporo ntụ. A ga-esite na 5gh nweta 'ala mbe' dị ka na 'e kenyere ya ala a gbara na mbe.' A ga-esite na 5gw nweta 'ala ụrọ' dị ka na 'Atanị nwere ala ụrọ.'

Ntụcha e mere ebe a gosiri na ụdaala na-ahọrọ ụdaala na ngakọrịta. Ọzọ bụ na ụdaala na-ahọrọ ụdaelu. Naanị ụdansụda ka ụda ala jụrụ ajụ. Ya bụ na ụda nsụda anaghị eso ụda ala n'usoro ngakọrịta ụdaolu Igbo. Ya bụ na nchịkọta ngakọrịta akara ụdaala na ụda ndị ọzọ nwere ike ịbụ ụdaala na ala [LL], ụda ala na elu [LH]; ụdaala; ụdaelu na ụdaala dị ka na *ọ̀mụgwọ̀*; ụdaala, ụdaala na ụdaelu dị ka na *òròmá,*d.g.

6. **Nganusoro ụdaelu [/] dị ka isi agwara**

a. isi
b. nkwụ
ch. ama
d. ike
e. osisi
f. arụmarụ
g. aṅụrụma
gb. njekọrịta
gh. mbikọrịta

6a wee rue6d, nwere mkpụrụokwu anọ nwere nkejiokwu àbụọ àbụọ, ya bụ: *isi*, *nkwụ,ama* na *ike*. Na6e, e nwere naanị osisi dị ka okwu nwere nkejiokwu atọ. Na 6f na 6g, e nwere mkpụrụokwu abụọ nwere nkejiokwu ànọ ānọ̄, ya bụ *arụmarụ* na *aṅụrụma*. Na 6gb na 6gh, e nwere mkpụrụokwu abụọ nwere nkejiokwu isii isii, ya bụ *njekọrịta* na *mbikọrịta*. Isi agwara bụ

ụdaelu họọrọ ụdaelu na nkejiokwu dịgasị na nkejiokwu ndị a họọrọ. Ya bụ na ngakọrịta e nwere ebe a bụ nke ụdaelu na elu na nkejiokwu niile dị na mkpụrụokwu niile ndị a họọrọ.

7. **Nganusoro ụdaelu [/] dị ka isi agwara**

a. ezè

b. mbè

ch. azụ̀

d. aghụ̀ghọ̀

e. atụ̀màtụ̀

f. Chimèrèọ̀gọ̀

Na 7a rue 7ch, e nwere mkpụrụokwu atọ nwere nkejiokwu àtọ atọ, ya bụ *Ezè, mbe* na *azụ*. Na 7d, e nwere otu mkpụrụokwu nwere nkejiokwu atọ, ya bụ *aghụ̀ghọ̀*. Na 7e, e nwere otu okwu nwere nkeji okwu anọ, ya bụ atụ̀màtụ̀. Na 7f, e nwere otu okwu nwere nkejiokwu ise, ya bụ Chimèrèọ̀gọ̀. E si na mkpụrụokwu niile ndị a gosi na ụdaelu na-ahọrọ ụdaala na ngakọrịta n'agbanyeghị nkejiokwu ole mkpụrụokwu nke ọbụla nwere.

8. **Nganusoro ụdaelu [/] dị ka isi agwara**

a. ezē

b. ebē

ch. atụrụ̄

d. nkịtā

e. Mmezinnwā

Na 8a na 8b, e nwere mkpụrụokwu abụọ nwere nkejiokwu abụọ abụọ, ya bụ *ezē* na *ebē*. Na 8ch na 8d, e nwere mkpụrụokwu abụọ nwere nkejiokwu atọ atọ, ya bụ *atụrụ̄* na *nkịtā*. Na 8e, e nwere otu mkpụrụokwu nwere nkejiokwu ise, ya bụ, *Mmezinwā.* E si na mkpụrụokwu ndị a gosi na ụdaelu na-ahọrọ ụdansụda na ngakọrịta. Ya bụ na ngakọrịta e nwere metụtara ụdaelu bụ isi agwara na ụdansụda bụ nke nsonye.

9. **Nganusoro ụdaelu [/] dị ka isi agwara**

a. aṅụ̀rị

b. mpụ̀ta

ch. nnànnà

d. Ezènwatà

e. Arọ̀ndị̄īzū̄ọ̀gụ̀

Bido na 9a rue 9b, e nwere mkpụrụokwu abụọ nwere nkeji okwu atọ, ya bụ *an̄ụrị* na *mpụta*. Na ha abụọ, ụda elu hộọrọ ụda ala na ụda elu, e wee nwee [HLH]. Na 9ch na 9d, e nwere mkpụrụokwu abụọ nwere nkejiokwu ànọ anọ, ya bụ *nnanna* na *Ezenwata.* Na ha abụọ, ụdaelu hộọrọ ụdaala, ụdaelu, na ụdaala, e wee nwee [HLHL]. Na 9e, *Arọ̀ndị̄īzū̄ọ̀gụ̀* nwere nkejiokwu asatọ. N'Arọndịizuọgụ, ụdaelu hộọrọ adaala, ụdaelu abụọ, ụdansụda abụọ na ụdaala abụọ [HLHHSSLL]. Ngakọrịta e nwere ebe a metụtara ụdaelu, ụdaala na ụdansụda.

Na ntụcha niile e mere n'elu, a ga-achọpụta na o nweghị ebe ụda nsụda so ụda ala n'azụ nke gosiri na ụdaala na ụdansụda anaghị agakọrịta na nganusoro ụdaolu. Ọzọ bụ na ụdansụda enweghị ike ịbụ isi agwara na mmalite okwu ọbụla. O nwekwere ike ụdansụda ebido okwu dị n'ime mkpụrụokwu n'ebe e nwere mkpụrụokwu ùkwù, dị ka n'Arọndịizuọgụ nke e nwere mkpụrụokwu anọ mebere ya o wee bụrụ otu okwu.

**Nchịkọta na mmechi**

Ederede a nyochara nganusoro dị ka o si metụta ngakọrịta ụdaolu na akara ụdaolu n'Igbo. A kọwara ihe nganusoro pụtara site n'ịnapụta ndị ọka mmụta dị iche okwu n'ọnụ site n'ihe ha bipụtara n'akwụkwọ. E mechara tụlegharịa agụmagụ ma wepụta ihe ndị nchọcha dị iche iche kwuru banyere nganusoro. A chọpụtara na ntụcha ndị nchọcha a tụlegharịrị gbadokarịrị ụkwụ na nganusoro dị ka o si metụta nkejiasụsụ. Ya kpatara ederede nke a ji setịpụ aka nyochaa nganusoro dị ka o si metụta ngakọrịta ụdaolu na akara ụdaolu.

Asụsụ ọbụla nwere usorookwu ndị mebere ya si agakọrịta. Asụsụ Igbo nwere iwu na-achịkwa ngakọrịta mkpụrụụda na ibe ya, ngakọrịta usorookwu na ibe ya, d.g. Ọ bụ iwu ndị ahụ na-achịkwa ngakọrịta ụdaolu na akara ụdaoluka e nyochara n'ederede a kpọmkwem. Nsogbu nchọcha a gboro bụ na ọ na-agbagwoju ọtụtụ ndị anya etu ụdaolu si agakọrịta na etu e si amata akara ụdaolu kwesịrị ụdaolu ọbụla na mkpụrụokwu. Nchọcha sekere nke a n'ụzọ doro anya ka onye ọbụla gụrụ ya si na ya mata etu ụdaolu si agakọrịta.E tinyere atụtụ agwara isi n'ọrụ wee mee nchọcha a. Atụtụ agwara isi bụ atụtụ a gbadoro ọkpa n'usoro ndokọ nkebi okwu wube. Onye wubere ya bụ Gazdar (1985).A kọwara ihe bụ nganusoro na njirimara ya. E zipụtakwara etu nganusoro si apụta ihe n'asụsụ Igbo. A chọpụtara n'ikpeazụ na ọ bụrụ na agbasoghị usoro ụdaolu, ụda mkpụrụokwu na-efu. A na-atụ aro na ndị ga-eme nchọcha na nganusoro n'ọdịnihu ga-emetụ aka na nganusoro metụtara mkpọaha, ngwaa na mmeju.

## Edensibịa

Atkins, J. (1998). *Lexical semantics.* Montreal: Black Rose Books. London: Cambridge University press.

Atụenyi, A.N. (2009). "The misuse of english concord among continuing education programme students." Projekt e bipụtaghị ebipụta sitere na ngalaba English Language and Literature, Nnamdị Azikiwe University, Awka.

Austin, J.L. (1962). *How to things with words.*Oxford: Oxford University Press.

Baker, M. C. (2008). *The Syntax of agreement and concord*.London: Cambridge University Press.

Besten, H. (1986). Double negation and the genesis of Afrikaans, na Pieter Muysken and Norval, Smith (eds.), *Substrata versus universals in Creole languages,* John Benjamins, Amsterdam, *5* (3), 185-200.

Bergman, B., &Wallin, L. (1985). 'Sentence structure in Swedish sign language', na W. C. Stokoe and V. Volterra (eds.), proceedings of the third international symposium sign language research. Rome, June 22–26 1983. Rome/Silver Spring, Md.: CNR/Linstok Press, 217–25.

Biber D., Stig J., Geoffery L., Susan C.,&Fineger E. (1999).*Longman grammar of spoken & written English*. London: Longman.

Bock K. & Miller C. (1991). Broken Agreement: Cognitive Spychology. *Journal of memory and language*, 3 (40),330–346.

Giannakidou, A. (1997). The landscape of polarity items, Ederede Nchọcha Ph.D. University of Groningen.

Ilechukwu, D. I. et al (2017). *Kpọkọpị ụtọasụsụ Igbo*. Awka: Divine Press.

Ilechukwu, D.I. (2023). Nganusoro Dị ka Ọchikwa na Nhọrọ Ngwaa na Mmeju.'' *Igirigi: A Multidisciplinary Journal of African Studies.* Vol. 3. No 1, 2023

Mbah, B. M.,& Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ.* Nsukka: University of Nigeria Press.

Udemmadụ, T. (2013). "Ungrammaticality in Igbo." *Unizik Journal of Arts and Humanities,Vol. 14 No. 1, 110-125, 2013.*

Viberg, A. (1999). *Polysemy* and differentiation in the lexicon.Na J. S. Allwood& Greenford P. (Eds), *Cognitive Semantics*. Amsterdam: John Benjamins Publishers.

Watanebe, Akira (2004). the genesis of negative concord: Syntax and morphology of negative doubling . Linguistics inọuiry 35:559-612.

Welmers, E. (1970). *African Language Studies*. Berkeley: University of Carlifornia Press.

Yule, G. (1996). *The Study of Language*, (2nd ed). Cambridge: Cambridge University Press.